# ILU: NJIRIMARA NDỊ IGBO

**Eunice Uche Akpamgbo**
Ngalaba Lingwistiks na Igbo
Mahadum Chukwuemeka Odimegwu Ojukwu, Ịgbarịam,
Steeti Anambara, Naịjirịa

**Ụmị edemede**
Nchọcha a gbadoro ụkwụ n’ilu dị ka otu n’ime atụmatụ okwu e nwere n’Igbo. E lebara anya n’ọtụtụ ihe gbasara ilu. Ebumnuche e ji mee nchọcha a bụ ka e site n’edemede a kọwaara ọhanaeze na ilu kwesiri ịbata n’okwu mgbe mmadụ na-ekwu okwu. E mere nke a site n’iji ilu olenaole na mpụtara ha nye ọmụmaatụ. E nwetere ngwa nchọcha site n’ajụjụ ọnụ a gbara ndị mmadụ nakwa site n’akwụkwọ dị iche iche a gụrụ. A chọpụtara na ilu bụ atụmatụ okwu e ji ekwu okwu dị omimi, nke ọ bụ naanị onye nwere amamihe ga-amata ihe ọ pụtara. Na nchịkọta, nchọcha a ga-enyere ụmụ akwụkwọ, ndị obodo na ndị nkụzị aka ịmata uru dị n’ilu.

**Ndubanye**
E nwere ọtụtụ atụmatụ okwu n’Igbo nke ilu bụ otu n’ime ha. Ndị Igbo na-eji ya akụzịrị ibe ha ihe. N’oge gboo, o nweghi akwụkwọ e detụrụ edetu etu e si akụziri ụmụaka ihe dịka ịdụ ọdụ maọbụ izulite ha n’ụzọ dị iche iche. Ọ bụ site n’ilu ka e ji akụziri ha ihe.

Ajụjụ buzi, gịnị bụ ilu? Ilu nwere nkọwa dị iche iche dịka ndị kọwara ya siri dị. Ihe dị mkpa ka a mata bụ na ilu bụ okwu e kwuru n’ụzọ dị omimi na n’ụzọ dị mpirisi, nke na-ezipụta ndụ na omenala ndị. Iji matakwu ihe banyere ilu, ọ dị mkpa ka e lebaa anya na nkọwa ilu dịka ụfọdụ ndị odee siri de.

Nwadike (1981) kọwara na ilu bụ okwu amamihe nke dị omimi ndị Igbo ji achọ asụsụ ha mma ebe, Achebe (1965) kwuru na ilu bụ mmanụ ndị Igbo ji eri okwu, Ezema (2012), kọwara na ndị okenye ji ilu egosipụta echiche mmiri emi. Emenanjo (1989) dere na ilu na-eji ụzọ ngọringọ ezipụta ihe ọ na-ekwu. Amaizu (2013) mere ka a mata na e zue oke mara ilu, okwu ebie nkenke. Ọ sịkwa na ilu bụ okwu amamihe ma na-akụzịkwa ọtụtụ ihe. Ofomata (2004) kọwara ilu dịka ezigbo okwu nke ndị Igbo ji achọ asụsụ  Igbo mma. Anukwu na Onwudufor (2007) dere na ilu bụ okwu maọbụ asụsụ  dị omimi ndị Igbo ji akụziri ụmụ ha ihe. Ilu anaghị eto ogologo mana nghọta ya na-ebu nnukwu ibu. Onye ọbụla ji ilu ekwu okwu na-enwe nsọpụrụ pụrụ iche. Nkọwa ndị a niile na-egosipụta ilu dịka atụmatụ okwu dị mkpa n'asụsụ tumadi n'asụsụ Igbo. Ilu bụ ihe e ji amata ezigbo nwaamala Igbo.

**Ilu Dị Iche Iche, Nkọwa na ụdịdị  Ha**

| | **Ilu** | **Nkọwa** | **Ihe ọ na-ezipụta** |
|---|---|---|---|
| 1 | Dibịa na-agba afa, ọ na-etinye nke aka ya. | ụfọdụ  mmadụ anaghị  akọ ihe ka o siri dị. | Aghụghọ |
| 2 | Nka ka okenye ji agbara ehi ọsọ. | Uche ka mmadụ ji eme ihe. | Akọnauche |
| 3 | A naghị akpọ mbe aga okwu nwaanyị. | O nweghi onye na-achọ ka ya na onye aghụghọ mekọọ ihe. | Aghụghọ |
| 4 | Mbe na-ebu ụzọ amara ala tupu ọ chọba onye ọ ga-aghọgbụ. | Onye na-eme ihe a ga-akwado ya nke ọma. | Akọnauche |

| | | | |
|---|---|---|---|
| 5 | E were anụ rata nkịta e were mma gbuo ya. | Inwe ihu abụọ ajọka | Aghụghọ |
| 6 | Ma nke mbe mere, ma nke mbe emeghi, aghụghọ dị ya, a kpọba mbe. | Ihe e jiri mara mmadụ ka a na-atụ anya na ọ ga-apụta ihe nke ọma na ya. | Aghụghọ |
| 7 | Mbe sị na ndị ọsọ na-agba, ndị aghụghọ a na-aghọ. | Ihe onye na-eme ka ọ maara anya ya. | Akọnauche |
| 8 | A maara mkpụrụ aga danahụrụ dibịa, mara nke o jiri aka ya tụpụ . | Onye aghụghọ anaghị aghọgbụ ibe ya. | Akọnauche |
| 9 | Onye a ghọgburu ka a gbara. | Onye nzuzu ka nke ya na-efu. | Akọnauche |
| 10 | ọgwụ a gaghị agwọ agwọ ka a na-achọrọ akpakwuru danda. | Ihe mmadụ agaghị emenwu, ọ na-achọ ebe ọ ga-agado aka. | Aghụghọ |
| 11 | ọsụ akwụ ji ọkụkọ ezu ike | ịcho ihe a ghadoro aka. | Aghụghọ |
| 12 | Atụrụ nụrụ na ibe ya na-amụ nwa, gaa mụọ nke isi ya akaghị aka. | ụfọdụ na-eme ihe maka na ibe ha na-eme. | Nṅomị |
| 13 | ịhapụ inyi n'agba abụghị ịgba afọ ọnụ. | Ihe abụghị ezigbo ihe. | Nṅomị |
| 14 | Anụ ala sobe enwe, ọ majie ụkwụ . | Onye mebe ihe na ndị ọzọ na-eme, o tinye | Nṅomị |

| | | | |
|---|---|---|---|
| | | onwe ya na nsogbu. | |
| 15 | Mkpi gara ikwunne ya mụta ịsọli ọnụ elu. | Onye gaa ebe ọ naghị agabụ, ọ mụta ihe ọ naghị emebu. | Nṅomị |
| 16 | Nkịta anaghị eri nsị sobe nke na-eri nsị o bido ribe nsị. | E si n’ajọ ọyị amụta ihe ọjọọ. | Nṅomị |
| 17 | Onye mụta ibe ụrịa nnụnụ, ọ mụta ufe ya. | A na-esi na obere ihe aga na nke nnukwu. | Nṅomị |
| 18 | ọgba na ibe ya na-agba na-agbaji ukwu. | Onye na eṅomi mmadụ a na-enweka ọdachị. | Nṅomị |
| 19 | Udele si mmadụ akọkwala ihe na-asọ oyi ebe ya na-enye nnwa ya ihe rere ure. | Onye na-ada iwu ekwesighi iwe iwe ma ọ hụ onye na-eme otu o si eme. | Nṅomị |
| 20 | Mbe anaghị ekwu okwu, ọ bụ mmadụ sị na mbe sịrị. | Ibochi mmadụ ọnụ. | Ebubo |
| 21 | Nkịta sị na ya na ekele onye ọbịa, ụmụ ụwa sị na ya na-abara ya mba. | Onye na-eme ihe, ndị mmadụ ana-aghọtahie ya. | Ebubo |
| 22 | Onye sị na ya adịghị mkpụmkpụ, ya ejikwala ogugu aghọ ose. | Onye adịla ka ọnụ a kọrọ ya. | ịkwụba aka ọtọ |
| 23 | Agwọ taa nwata, idide abụrụ onye iro | Mmadụ na-ata ahụhụ ihe onye | Ike nkwụcha |

| | | | |
|---|---|---|---|
| | ya. | ọzọ mere. | |
| 24 | ọkụkọ tolite, o chefuo nna muru ya. | Ihe dịbara mmadụ mma, o chefuo onye nyeere ya aka. | Enweghi mụọ ekele |
| 25 | Agwọ buo, ọ laa ọhịa. | Onye ihe dịbara mma, o chefuo ndị enyi ya. | Enweghi mmụọ ekele |
| 26 | ọrịa laa ofeke, o chefuo dibịa gwọrọ ya. | Mmadụ ichefu onye gbooro ya mkpa. | Enweghi mmụọ ekele |
| 27 | Nwaanyị sie ajọ nri, ọ sị na ọ bụ nke gụrụ ya. | Onye emeteghi ihe, ọ sị na ọ bụ ka ya siri chọọ ime ya. | Ebe mbido aka |
| 28 | ọkụkọ hapụrụ mma gbụrụ ya tụgọbara ite olu. | Mmadụ ga-ewesara onye mere ya ihe ọjọọ iwe, ọ bụghị onye ọ dịghị ihe o mere ya. | Ebe mbido aka |
| 29 | A chụpu ajọ nwaanyị n'ụlọ, ọ dị ka a kwụsịrị ụgụrụ. | E wepu onye na-eweta ọgbaghara n'ezinaụlọ, udo abata. | Idozi ihe |
| 30 | Lee be oke, lee be ọgịnị. | Ihe abụọ dị nso. | Ihe dị nso |
| 31 | Chi foro Afọ efole Nkwọ. | Ihe fọdụrụ obere ka o ruo. | Ihe dị nso |
| 32 | Aka ruru n'agba eruola n'ọnụ. | Ihe fọrọ obere. | Ihe dị nso |
| 33 | ọ bụ aka nọ ntị nso na-ama ntị ọra. | ọ bụ onye maara mmadụ na-egbu | Ihe dị nso |

| | | | |
|---|---|---|---|
| | | ya. | |
| 34 | Onye nọ mmadụ nso na-anụ isi eze ya. | Onye nọ mmadụ nso maara ụdị mmadụ onye ahụ bụ. | Ihe dị nso |
| 35 | Isi akwụ dara n'ala emetụla aja. | Onye budara ugwu ya n'ala aghaghị inweta mkparị na nleda anya. | Ihe ọjọọ nwere ntaramahụhụ |
| 36 | A hụ dike e bie abịa n'ike. | Ihe mmadụ rụpụtara ka e ji akwanyere ya ugwu. | ịsọ anya/ịkwanye ugwu |
| 37 | A naghị anọ n'ihu ọnya etigbu usu. | ọ dịghị mma ịta mmadụ ụta n'ihu ọha, ebe ọ ga-egbu mmụọ ya ma wutekwa ya. | ịkwanye ugwu |
| 38 | N'ọnụ dịbia ka okwu na-ebi, ọ dịghị ebi n'ọnụ ofeke. | A naghị eji okwu onye enweghi uche eme ihe ọbụla. | ịgbaso ezi ihe |
| 39 | Ji mee ka ọ na-atọka, a hapụ ya, gbuo ede awayịị . | Ugwu dike rere bụ uru ofeke. | Ime ihe ezighi ezi |

**Nkụzi Dị Iche Iche Ilu na-Akụzi**

Ndị Igbo nwere ụdị ilu dị iche iche ha ji ezipụta ihe dị iche iche na ndụ ha, ha jịkwa ya akụzị ihe na nkuzi ọdịnala Igbo. Ka anyị lebaa anya n'ilu na-egosi ezi omume na ịkwuba aka ọtọ, na ndị na-eweta ezi ụgwọ ọrụ. Ha na-eji ilu ndị a agba

ndị ezi omume na ndị na-akwụba aka ọtọ ume ma jirikwa ha na-adọ ndị ajọ omume aka na ntị. Ilu ha bụ:

"Onye ndidi na-eri azụ ukpoo".
Nke a pụtara na onye jiri nwayọ kwụba aka ya ọtọ na-eso ihe dakwasara ya, ọ ga-enwe mmeri n'ikpeazụ.

"E mee nwaka e mere ibe ya, obi adị ya mma".
Nke a na-egosi na mmadụ ga na-akwụba aka ya ọtọ n'ihe ọbụla ọ na-eme n'agbanyeghi onye bụ onye.

"Dị na nwunye gbaa izu, mkpirisi ji apụta n'ike ite".
Nke a na-egosi na mmadụ abụọ maọbụ karịa were ezigbo omume na otu obi na-eme ihe, nsogbu agaghị adị.

**Ilu ndị na-Akụzị Ihube Isi na Inupu Isi**

Ilu ndị ahụ na-egosi ihube isi nwere ike baa uru iji kuziri onye na-enupu isi ihe maọbụ e were ya gbaa onye na-erube isi ume. Ha bụ ndị a:

"Onye jee obodo a na-ebe ntị, o bere ntị ya tinye".
Nke a pụtara na onye jee ebe maọbụ mee ihe ọ maghị eme mbụ, o rube isi, soro ndị ọzọ mee etu ha si eme.

"Onye a gwara kwere, ọ bụrụ na ọka okwu ekwuka".
Ọ na-egosi na ọ bụ mmadụ rube isi mee ihe a gwara ya, okwu ahụ e kwuru abara ya uru.

Ilu ndị a na-egosi nrube isi nke ndị Igbo na-ewebata na nkuzi ọdịnala ha iji zulite ụmụaka n'ụzọ ha ga-esi ghọta na nwata ọbụla na-erube isi kwesịrị na ihe ọma ga na-akpọ ya ihu.

**Ilu ndị na-Egosi Inupu Isi**
"ụkpana ntị ochi na-ezu ike n'afọ nnụnụ ".
Ọ pụtara na onye anaghị erube isi maọbụ onye na-eme isi ike na-adaba na nsogbu.

"A gwa ntị ma ọ nụghị, e bere isi ya na ntị awịrị ".
Onye na-enupu isi na-ata ahụhụ nnupu isi na-eweta.

**Ihe A ga-Eme Iji Kwalite Ilu**
Otu mmekpaahụ ilu nwere bụ na ndị Igbo enweghị mmasị ịdị na-atụ ilu. Ọ dị oke mkpa na ụmụ amaala Igbo ga-egosi mmasị n'ilu Igbo site n'ịdị na-etinye ya n'okwu ha na-ekwu mgbe ọbụla, ha ga-agba mbọ na-etinye ya ebe kwesirinu. Nke a ga-ekwe omume site n'inwe mmasị n'asụsụ Igbo n'onwe ya karịa n'asụsụ Bekee n'ihi na ọ bụ mgbe asụsụ kwụsịrị ike ka ilu dị iche iche dị na ya bụ asụsụ ga-akwụdosi ike nke ya.

Mmekpaahụ ọzọ ilu na-enwe bụ na a naghị akụzị ya etu kwesịrịnụ n'ụlọakwụkwọ. Ikuzi ilu Igbo n'ụlọakwụkwọ ga-enyekwa aka mee ka ilu kwudosie ike. Nkuzi ahụ ga-ebido n'obere ụlọakwụkwọ wee rue na nnukwu ụlọakwụkwọ. Ọ dị mkpa na e bidoro inye ụmụaka ọzụzụ n'ihe gbasara ilu Igbo mgbe ha nọ n'obere ụlọakwụkwọ, ka ha wee nwee ezigbo ntọala banyere ya. Mgbe e mere nke a, ọ ga-adịrị ha mfe ịmụta ihe a na-akụzịrị ha maka ya na nnukwu ụlọakwụkwọ, ha ga-azarịrị ajụjụ gbasara ilu n'ule. Inye ọmụmaatụ, mgbe ụfọdụ, ndị nkuzi na-enye ụmụakwụkwọ ihe omume ha ga-eme site n'ịkọ akụkọ dabara n'ilu e nyere ha. Ọ bụrụ na e mee ya otu a, ọ ga-akwalite ilu.

Ọzọ bụ na ọtụtụ akwụkwọ e nwere n'Igbo edeghị gbasara ilu na mpụtara ya. Idepụta ilu n'akwụkwọ ọgụgụ Igbo ọbụla dịkwa oke mkpa n'ime ka ilu Igbo kwụrụ chịm. Ndị odee akwụkwọ Igbo ga-agba mbọ were ilu na-achọ edemede ha mma, n'agbanyeghi ma ihe ha na-ede ọ bụ agụmagụ ọdịnala, egwuregwu, akụkọ ka ọ bụ abụ. Ọ ga-eme ka onye ọbụla na-agụ akwụkwọ Igbo mụta ụfọdụ ilu dị na ya.

**Nchịkọta**

Na mmechi, a ahụla na ilu nwere nnukwu ọnọdụ na nkuzi ọdịnala Igbo bido mgbe ụwa bidoro. N'otu aka ahụkwa, a hụrụ na ọnọdụ ilu na nkuzi ọdịnala Igbo nwere ọtụtụ mmekpaahụ nke na-egbochiri ya agamnihu. Ya mere e ji tụpụta aro dị iche iche n'edemede a. A na-asị na ọ bụrụ na e mee aro ndị ahụ a tụrụ, na ọnọdụ ilu na nkuzi ọdịnala Igbo ga-enwe ọtụtụ ezi mgbanwe karịa ka ha dị ugbua nke ga-eme ka ilu ghara ịsachapụ na nkuzi ọdịnala Igbo.

## Edensibia

Achebe, C. (1965). *Things Fall Apart*. Ibadan: Heinemann.

Amaizu, A. (2013). *Okenye Anọghị n'Ulọ*. Enugu: Geli's Publishers.

Nwadike, I. C. (1981). *Ntọala na Nnyocha Agụmagụ*: Ihiala: Deo Gratias.

Emenanjo, (1989). *Atụmatụ Agụmagụ na Atụmatụ Okwu*. Ibadan: Oxford University Press.

Ezema. T. O. (2012). *Nkuzi Agụmagụ ọdịnala Igbo*. Kontagora: Victory Press.

Ofomata, E.C. (2004). *Ndezu ụtọasụsụ Igbo nke Siniọ Sekọndịrị*. Enugu: Format Publishers.

Onwudufor, F. (2007). *Mmanụ E ji Eri Okwu*. Enugu: Snapp Publishers.